# Fonọlọjị Okwumbite: Okwu Bekee Batara n'Asụsụ Igbo

**Nkamigbo, Linda Chinelo**
Ngalaba Lingwistiks
Mahadum Nnamdị Azikiwe
Ọka, Steeti Anambara, Naijirịa

**Ụmịedemede**
Okwumbite na-apụta ihe mgbe asụsụ na ibe ya nwere mmekọrịta. Mmekọrịta a nwere ike bụrụ site n'azụmahịa, alụmdinanwunye, ịgba oke, ndọtanaagha maọbụ ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Edemede a gbadoro ụkwụ na fonọlọjị okwu Bekee e webatara n'Igbo. Mmekọrịịta asụsụ igbo na asụsụ Bekee bidoro kemgbe ndị Bekee weteere ndị Igbo azụmahịa, okpukpere chi nakwa mmepe nke ha. Edemede a tulere ma o nwere mgbanwe na-adị n'ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee mgbe e webatara ha n'Igbo; tinyekwara etu ha si daba na fonọlọjị Igbo. Ebe e siri nwete okwu Bekee ndị ahụ batara n'Igbo bụ n'ọkọwa okwu kentimiwu asụsụ anọ. Asụsụ anọ ndị ahụ gụnyere Bekee, Awụsa, Igbo na Yoruba. N'ọkọwa okwu a, e nwere mkpụrụokwu puku iri na asatọ mana okwu Igbo bitere Bekee dị narị isii na anọ. Edemede a chọpụtara na nhazi Igbo haziri okwumbite ndị ahụ pụtara ihe n'usoro ọdịdịụdaasụsụ ndị a: ndakọrịta ụdaume, ndapụ mkpụrụụdaasụsụ, mwebata ụdaume, nnọchi mkpụrụụdaasụsụ, nsetị ụdaume, olilo, mmebe ụdawayị, myiriụdaume ịnọ na mbido nkejiokwu na ndokọ mkpụrụaasụsụ Igbo. N'ikpeazụ, nchọcha a gozipụtara na ọtụtụ okwumbite ndị ahụ hubere isi na ndokọ mkpụrụụdaasụsụ nakwa nkejiokwu Igbo. Ọ bụ naanị na ndakọrịta ụdaume na mgbochiume ọyọ  ka ụfọdụ nupuru isi.

**Mmalite**

Ndị nwere mmasị na ngalaba fonọlọjị malitere n'ọdịnso a lebawa anya na fonọlọjị okwumbite (hụ Yip, 2002, 2004, 2006; Kenstowicz, 2005, 2006; Boersma na Hamann, 2007). N'ihi otu mkpa maọbụ mkpa ọzọ, asụsụ na-ebite ibe ya okwu. Okwumbite bụ mkpụrụokwu otu asụsụ siri n'asụsụ ọzọ nwete ma were ya ka ọ bụrụ nke ya.

Mgbe asụsụ bitere mkpụrụokwu, ọ naghị akwụghachi ya kama ọ ga-eweghara ya. Mweghara a ka a na-akpọ nnọkwata okwumbite. Asụsụ wegharachaa okwumbite, ọ ga-ahazi ya ka ọ daba na fonọlọjị ya. Nnọkwata na nhazi okwumbite gbakọtara aka ọnụ were bụrụ fonọlọji okwumbite. N'okwumbite, a na-enwe asụsụ mbinye na asụsụ mbiri. Mgbe ndị nwe asụsụ mbiri na-achọ ịnọkwata okwu ha bitere, ha na-agba mbọ ịhụ na ọdịdị mkpụrụokwu ahụ agbanweghị ma mekwaa ka o hube isi n'ọdịdịụdaasụsụ ha. Okwumbite Igbo sitere n'ọtụtụ asụsụ ndị gụnyere: Bekee, Awụsa, Yoruba, Ịgala, wdg. Mana edemede a gbakwasara ụkwụ naanị n'okwu Bekee e webatara n'Igbo. E meela nchọcha maka okwumbite n'Igbo (hụ Ajunwa, 2008 iji maa atụ) mana o nweghị onye nyochara folọjị okwumbite nke m maara.

Edemede a ga-atule ụdị mgbanwe na-adị n'ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee mgbe e webatara ha n'igbo ma nyochakwa ma ha adabara na fonọlọjị Igbo. N'ime nke a, e lebara anya n'ọkọwaokwu kentimiwu asụsụ anọ. Mkpụrụokwu puku iri na asatọ dị na ya mana okwu Igbo bitere Bekee dị narị isii na anọ. Nke a pụtara naanị pacentị atọ na ụma. Ọ bụ Bekee olundị Britain ka e jiri mee nchọcha a. A bịa n'ịka akara ụdaolu, a kara akara ụdaala (`) na akara ụdansụda (↓´) ma hapụ akara ụdaelu. Akara ↓ na-adị n'ihu nkejiokwu nwere ụdansụda. Ntụgharị kefonetik gbasoro usoro *International Phonetic Association's alphabet (IPA).* Ndị nchọcha a ga-abara uru bụ ndị nwere mmasị na fonọlọjị nakwa ndị nwere mmasị na mmekọrịta asụsụ na ibe ya.

Nkegasị edemede a dị ise. Nke mbụ bụ mmalite nke nyere anyị nchịkọta edemede a na nhazi ya. Nke abụọ bụ azụndabere ketiori. O lebara anya na nkọwa dị iche iche e nyerela fonọlọjị okwumbite na nchọcha ole na ole e merela n'asụsụ dị iche iche. Nke atọ chịkọtara fonọlọjị Igbo na nke nke. Nke anọ zipụtara usoro ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee batara n'Igbo ma nyekwa ntụcha ha; ebe nke ikpeazụ bụ nchịkọta edemede a ya na mmechi.

**Azụndabere Ketiori**

Hyman (1970) gosipụtara na grama jeneretivu kwenyere na nnọkwata okwumbite na-agbado ụkwụ n'ọdịdịụdaasụsụ asụsụ mbinye kama nhazi fonọlọjị diịrị asụsụ mbiri. N'otu aka ahụ, Kenstowicz (2005:1) kwuru na fonọlọjị okwumbite bụ mmekọrịta dị n'ọdịdịụdaasụsụ asụsụ mbinye na asụsụ mbiri. Ọ gara n'ihu kọwaa na okwumbite kwesịrị ịgbaso ndokọ mkpụrụasụsụ asụsụ mbiri n'otu aka ma hubekwa isi na fonọlọjị asụsụ mbinye n'aka nke ọzọ.

Aziza na Utulu (2003) mere nchọcha fonọlọjị okwumbite. Ha tụchara okwu Bekee batara n'Uhobo na Yoruba ma chọpụtakwa na e nwere nsetị ụdaume n'okwu Bekee batara na Yoruba. N'ihu akwụkwọ nke iteghete, ha nyere ọmụmaatụ nsetị ụdaume dịka:

| **Bekee** | **Yoruba** |
|---|---|
| alum | aloomu |
| John | dzoonu |
| class | kilaasi |

nchọcha Oyebade (2006) gbadoro ụkwụ na tiori ọptịmaliti were leba anya na nsetị ụdaume dị n'okwu ndị ahụ Yoruba bitere Bekee. O zipụtara na mpụtara nsetị ụdaume bụ ka okwumbite ndị ahụ nwee ike ihube isi na ndokọ nkejiokwu Bekee. Burenhult (2001)

chọpụtara ọtụtụ mgbanwe dị na fonọlọjị okwumbite Jahai. Mgbanwe ndị a gụnyere: mmebe mkpọnimi, nnọchi mkpụrụasụsụ, ụdaike keeko ịnọ nna ngwụcha nkejiokwu, ịhazighara ọdịdị nkejiokwu na ndapụ ụdampụta ụdaike.

Nchọcha Chávez-Peón (deeti adịghị) gosipụtara mgbanwe dị iche iche dị n'okwumbite San Luca Quiavini Zapotec (SLQZ). SLQZ bụ asụsụ Otomangue nke mgbada ugwu Mexico. Mgbanwe ndị pụtara ihe n'asụsụ a bụ ndapụ ụdaume, nsetị mkpụrụasụsụ, ntamu na mkpọneeko. Golston na Yang (2001) zipụtara na ndapụ mgbochiume, nsetị ụdaume na ntụgharị nkejiokwu bụ mgbanwe dị na fonọlọjị okwumbite White Hmong. A
kinlabi (2008) metụtara aka n'usoro fonọlọjị okwumbite Yoruba. O zipụtara ọtụtụ ụzọ Yoruba siri hazie okwumbite ya. Ụzọ ndị a gụnyere: mgbochiume agaghị ebido maọbụ jedebe nkejiokwu, mmepe nnọkọ mgbochiume, mwebata ụdaume na mwebata ụdashịị keeko. Ọ kọwakwara na fonọlọjị okwumbite Yoruba họọrọ ịhapụ ebe mkpọpụta mkpụrụasụsụ ma gbanwee ụdị mkpọpụta ha.

**Fonọlọjị Igbo na nke nke**

Na nkegasị nke a, anyị ga-eleba anya na mkpụrụụdaasụsụ ndị Igbo nwere, ndakọrịta ụdaume na ụdaolu.

## CHAATỊ MGBOCHIUME

/p/ → /pa/ /f/ → /fe/

| | Egbugbereonụ abụọ | Egbugbereonụ na Eze | Keanyụrụ | Keazụanyụrụ | Keakpoike | Keakponro | Keegbugbereonụ na ọdụakpo | Keeko |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike Ndapụta | p b | | t d | | | k g | kʷ gʷ | |
| Ụdaike Ndakpu | kp gb | | | | | | | |
| Ụdaimi | m | | n | | ɲ | ŋ | ŋʷ | |
| Ụdachii | | | | tʃ dʒ | | | | |
| Ụdashịị | | f v | s z | ʃ | | ɣ | | ɦ |
| Ụdarii | | | r | | | | | |
| Ụdalịị | | | l | | | | | |
| Ụdaway ị | | | | | j | | w | |

/b/ → /bìa/ /v/ → /vʊɔ/

/t/ → /tìe/ /s/ → /si/

/d/ → /dɔ/ /z/ → /zà/

/k/ → /kʊ/

/g/ → /ga/

/kw/ → /kwàa/

/gw/ → /gwùo/

/kp/ → /kpʊɔ/

/gb/ → /gbàa/

/m/ → /m↓má/

/n/ → /nne/

/ɲ/ → /ɲʊɔ/

/ŋ/ → /ŋʊɔ/

/ŋ/ → /ŋatà/

/tʃ/ → /tʃi/

/dʒ/ → /dʒe/

/ʃ/ → /aʃà/

/ɣ/ → /ɣèe/

/ɦ/ → /ɦa/


/r/ → /re/

/l/ → /lɔ/

/j/ → /ja/

/w/ → /wʊɔ/

**CHAATỊ ỤDAUME**



Ụdaume Igbo dị asatọ. Ha bụ ndị a dị na chaatị ụdaume a. Ha na-apụta ihe n'okwu Igbo ndị a:

/i/ → /ìgbe/

/I/ → /ìgba/

/e/ → /aɲa/

/u/ → /ùdù/

/ʊ/ → /ʊkwà/

/o/ → /o↓bé/

/ɔ/ → /ɔgʊ/

**Ndakọrịta Ụdaume**

Ụdaume asatọ Igbo nwere kewara ụzọ abụọ n'atụmatụ ndakọrịta ụdaume. Ha bụ ụdamfe na ụdaarọ. N'atụmatụ ndakọrịta ụdaume, ụdaume na-adị na mkpụrụokwu Igbo na-esi n'otu ótù. A na-akpọ ụdamfe ndị otu 'a' ma na-akpọkwa ụdaarọ ndị otu 'e'. Ha bụ ndị a:

| OTU 'A' | | OTU 'E' | |
|---|---|---|---|
| a | ị | e | i |
| ọ | ụ | o | u |

| **Ndakọrịta ụdaume nke otu 'a'** | **Ndakọrịta ụdaume nke otu 'e'** |
|---|---|
| Ọmụma atụ: | Ọmụma atụ: |
| akpị | esu |
| ịnyịnya | ikwe |
| ọdụ | opi |
| ụbọ | uko |

**Ụdaolu**

Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Nke a pụtara na ụdaolu dị mkpa n'okwu Igbo n'ihi na ọ na-ebute ndịiche n'okwu Igbo dịka mkpụrụụdaasụsụ si ebute ndịiche. Ọtụtụ ndị ọkammụta fonọlọjị na grama Igbo nyocharala Igbo egosila na Igbo nwere ụdaolu abụọ zuru oke ya na ụdansụda (hụ Uwalaka, 1996 iji maa atụ). Ụdaolu abụọ ndị a bụ ụdaelu na ụdaala. Ụdansụda anaghị ebido okwu. Ọ na-esote naanị ụdaelu. Ọ naghị esote ụdaala.

**Nzipụta ụdaolu n'Igbo**

| | |
|---|---|
| Ụdaelu: | imi |
| | ozu |
| Ụdaala: | àjà |
| | òkè |
| Ụdansụda: | e↓zé |
| | o↓gbí |

**Usoro ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee batara n'Igbo**

(A) Ndakọrịta ụdaume

a. Ndị hubere isi

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|

| | | |
|---|---|---|
| /mə'nɒpəli/ | /mòno↓pólì/ | monopoli |
| /ə'kaʊnt/ | /àkaǹtì/ | akanti̥ |
| /mə'ʃin/ | /màʃIǹ/ | mashi̥n |
| /'ɒfisə/ | /ɔ↓fisà/ | o̥fi̥sa |
| /eIdʒənt/ | /e↓dʒéǹtì/ | ejenti |
| /kəm'pjutə/ | /kɔm̀pʊtà/ | ko̥mpu̥ta |
| /kə'mIti/ | /kɔmItì/ | ko̥mi̥ti̥ |
| /bəŋkə/ | /bɔŋkà/ | bo̥nka |
| /'rəŋbə/ | /rɔbà/ | ro̥ba |

b. Ndị nupuru isi

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /'redʒIstə/ | /re↓dʒìstà/ | rejista |
| /'primiəm/ | /premìʊm/ | premi̥u̥m |
| /'məʊʃn/ | /moʃɔn/ | mosho̥n |
| /'kaʊnsl/ | /kansùlʊ/ | kansulu̥ |
| /'levl/ | /levʊlʊ/ | levu̥lu̥ |
| /'fɜtəlaɪzə/ | /fetìlaɪzà/ | fetilai̥za |
| /'njutrɒn/ | /nutrɔn/ | nutro̥n |
| /ˌɔdɪ'tɔriəm/ | /ɔdɪtoriùm/ | o̥di̥torium |
| /'bədʒɪt/ | /bɔ↓dʒéètì/ | bo̥jeeti |
| /kə'rɪkjələm/ | /kɔrɪ↓kúlùm/ | ko̥ri̥kulum |
| /'bəfə/ | /bufà/ | bufa |

(B) Ndapụ Mkpụrụụdaasụsụ

| Bekee | Igbo | Mpụtara | Ndapụ |
|---|---|---|---|
| /'ɔltəneɪtə/ | /ɔtànetɔ/ | ọtanetọ | /l/ |
| /'prəʊtin/ | /potìn/ | potin | /r/ |
| /'bærəks/ | /ba↓ráàkì/ | baraakị | /s/ |
| /'gƏvənmənt/ | /gɔɔ↓méntì/ | gọọmentị | /v/ |
| /'kemɪstri/ | /ke↓mísìrì/ | kemisịrị | /t/ |
| /ˌpraɪm'mɪnɪstə/ | /praɪ↓mínìstà/ | praịminista | /m/ |
| /ɪˌlek'trɪʃn/ | /lètriʃɪàn/ | letrishịan | /e/ |
| /'kriəʊl/ | /krio/ | krio | /l/ |

(CH) **Mwebata Ụdaume**

| Bekee | Igbo | Mpụtara | Mwebata |
|---|---|---|---|
| /'sƏlfeɪt/ | /solu↓féètì/ | solufeeti | /u/ |
| /ˌikə'nɒmɪks/ | /Ikɔ↓nɔmíkìsì/ | ịkọnọmịkịsị | /ɪ/ |
| /æsprɪn/ | /àsìipirìn/ | asiipirin | /i/ |
| /æs'bestəs/ | /àsìbesitɔɔs/ | asịbesitọọs | /i/ |
| /draft/ | /draftʊ/ | draftụ | /ʊ/ |
| /ˌbaɪəʊ'kemikl/ | /bàjòke↓míkààlì/ | bayokemikaalị | /ɪ/ |
| /skweə/ | /sʊkwià/ | sụkwia | /ʊ/ |
| /brɪ'geɪd/ | /bìrìgedì/ | birigedi | /i/ |
| /'sɪvɪks/ | /si↓vííkìsì/ | siviikisi | /i/ |
| /daɪk/ | /daìkì/ | daịkị | /ɪ/ |

(D) **Nnọchi Mkpụrụụdaasụsụ**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Ndapụ** |
|---|---|---|---|
| /'sɜveɪ/ | /sɔ̀fɪà/ | sọfịa | v→f |
| /'kæpɪtəlɪzəm/ | /kàpɪ̀ta↓lísm/ | kapịtalism | z→s |
| /'feləʊʃɪp/ | /felé↓ʃîpù/ | feleshịịpu | əʊ→e |
| /'ekwəti/ | /e↓kwítì/ | ekwiti | ə→i |
| /'gƏvənə/ | /gɔ↓vánɔ/ | gọvanọ | Ə→ɔ,ə→a |
| /'fɜtəlaɪzə/ | /fetìlaɪzà/ | fetilaịza | ɜ→a |
| /pə'ɵɒlədʒi/ | /pàtɔ↓lɔdʒì/ | ɓatọlọji | ɵ→t |

(E) **Olilo**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Olilo** |
|---|---|---|---|
| /Ikɒnvə'keɪʃn/ | /kɔɱvòkeʃɔn/ | kọm̥vokeshọn | n→ɱ |

(F) **Nsetị Ụdaume**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /'æsɪteɪt/ | /a↓sì↓téètì/ | Asiteeti |
| /'æsɪd/ | /asíídì/ | asiidi |
| /steɪt/ | /steètì/ | steeti |

| | | |
|---|---|---|
| /'kɒlɪdʒ/ | /kɔ↓léèdʒì/ | kọleeji |
| /reɪt/ | /reètì/ | reeti |
| /'æ'ɔɪ/ | /alɔɔjì/ | alọọyị |
| /'sɜkɪt/ | /sa↓kʊʊtù/ | sakụụtu |
| /nəʊt/ | /noòtù/ | nootu |
| /græf/ | /gràafʊ/ | graatụ |
| /'rɒkɪt/ | /rɔ↓kéètì/ | rọkeeti |
| /'æstrənɔt/ | /a↓strɔnɔɔtʊ/ | astronọọtụ |
| /kəʊ'kein/ | /kòkeèn/ | kokeen |
| /tʃat/ | /tʃaàtì/ | chaatị |

(G) **Mmebe Ụdawayị**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /'daɪəri/ | /da↓járì/ | dayarị |
| /daɪ'æspərə/ | /dàja↓spɔrà/ | dayaspọra |
| /'aɪən/ | /ajɔn/ | ayọn |
| /'æmplɪfaɪə/ | /àmplìfajà/ | amplịfaya |
| /pɔɪnt/ | /pɔjɪntì/ | pọyịntị |
| /'plaɪə/ | /plajà/ | playa |
| /'stjudiəʊ/ | /studìjò/ | studiyo |
| /'sɔɪə/ | /sojà/ | soya |
| /'dʒænjuəri/ | /dʒenu↓wárì/ | jenuwar[ |
| /'februəri/ | /febu↓wárì/ | febuwar[ |

(GB) **Myiriụdaume ịnọ na mbido nkejiokwu**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /ɪn'ʃʊərəns/ | /ǹʃɔ↓ránsì/ | nshọransị |
| /ɪm'pɪəriəlɪzəm/ | /m̀pèrìal↓lízm/ | mperializm |
| /ɪembri'ɒlədʒi/ | /m̀brìo↓lódʒì/ | mbrioloji |
| /'enzaɪm/ | /n↓záìm/ | nzaịm |
| /ɪm'pɜsənl/ | /m̀pesìn/ | mpesin |
| /'ɪndeks/ | /n↓déékìsì/ | ndeekịsị |
| /ɪnsjəlɪn/ | /nsùlin/ | nsulin |
| /ˌendʒɪ'nɪə/ | /ndʒìnɪà/ | njinịa |
| /'endʒɪn/ | /ndʒìn/ | njin |

(GH) **Ọyọkọ Mkpụrụụdaasụsụ Igbo**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Mgbochiume ọyọ** |
|---|---|---|---|
| /'fæktri/ | /faktrì/ | faktrị | ktr |
| /'bætri/ | /batrì/ | batrị | tr |

| | | | |
|---|---|---|---|
| /skwɒd/ | /skwɔɔdʊ/ | skwọọdụ | skw |
| /greɪd/ | /grèedì/ | greedi | gr |
| /'helɪkɒptə/ | /hèlìkoptà/ | helikopta | pt |
| /klas/ | /klaasì/ | klaasị | kl |
| /'mænjuskrɪpt/ | /ma↓núskriptù/ | manuskriptu | skr, pt |
| /'skɒləʃɪp/ | /skɔ↓láʃɪɪpʊ/ | skọlashịịpụ | sk |
| /'sækrəmənt/ | /sakra↓méntì/ | Sacramentị | kr |

**Ntụcha**

Nkegasị a ga-atụcha usoro ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee batara n'Igbo. Okwumbite ụfọdụ hubere isi n'iwu ndakọrịta ụdaume Igbo ebe ụfọdụ ndị ọzọ nupuru isi. Okwu ndị dịka: monopoli, mashịn, ọfịsa, kọmpụta, wdg. Hubere isi n'iwu ndakọrịta ụdaume Igbo. Rejista, levụlụ, ọdịtorium, kọrịkulum, wdg. Nupuru isi n'iwu ndakọrịta ụdaume.

Agba nke abụọ bụ ndapụ mkpụrụụdaasụsụ. E nwere ndapụ mkpụrụụdaasụsụ n'ụfọdụ okwu ndị Igbo bitere Bekee. Ụfọdụ ndapụ bụ n'ihi na ndokọ nkejiokwu Igbo anabataghị nnọkọ mgbochiume. N'ihi ya, ebe mgbochiume abụọ nọkọrọ, Igbo na-atụfu otu mgbochiume. Ọmụmaatụ: ọtanetọ, potin, kemịstrị, wdg. N'ihi na Igbo enweghị njirimara mkpoolu dịka Bekee nwere, Igbo na-atụfu mkpụrụụdaasụsụ /s/ ebe ọbụla o zipụtara mkpoolu. Ọmụmaatụ: baraakị.

Igbo na-ewebata ụdaume iji mepe nnọkọ mgbochiume. Ọmụmaatụ: solufeeti, asiipirin, siviikisi, wdg. A na-ewebatakwa

ụdaume na mmechi nkejiokwu Bekee ebe e nwere mgbochiume n'ihi na mgbochiume anaghị ejedebe okwu Igbo. Ọmụmaatụ: draftụ, birigedi, daịkị, wdg.

Achọpụtara m na Igbo jiri ụfọdụ mkpụrụụdaasụsụ nọchie anya ibe ha. Ọ kachasị mkpụrụụdaasụsụ ndị dị na Bekee adịghị n'Igbo. Ọmụmaatụ: patọlọji, fetilaịza, gọvanọ, wdg. Ololo pụtara ihe n'okwumbite ndị m nyochara bụ ndagba myiriụdaume ebe ụdaimi /n/ gbanwere bụrụ /ɱ/. /ɱ/ bụ ụda keegbugbere ọnụ na eze na mkpụrụụdaasụsụ bụ mgbochiume bụkwa keegbugbere ọnụ na eze ga-agakọ ọnụ n'okwu. Ndagba myiriụdaume pụtara ihe na nchọcha a bụ /kɔɱbòkeʃɔn/. Nchọcha n'ọdịniihu ga-egosi ọnọdụ olilo n'okwumbite.

Mgbanwe ọzọ pụtakwara ihe n'okwu ndị Igbo bitere Bekee bụ nsetị ụdaume. Achọpụtara m na ọtụtụ nsetị Igbo setịrị okwu Bekee ndị ahụ bụ n'ihi na Igbo enweghị ụdaume mkpị. N'ihi ya, ebe ọbụla ụdaume mkpị dị Igbo ga-ewepụ ya ma setịa ụdaume nọchiri ya. Ọmụmaatụ: asiteeti, steeti, alọọyị, wdg. E nwekwara nsetị ụdaume ndị abụghị n'ihi ụdaume mkpị. Ndị a gụnyere: kọleeji, rọkeeti, astronọọtụ wdg.

Ụdaume mkpị dị n'okwu ndị Igbo bitere Bekee butere mmebe ụdawayị. Ọmụmaatụ: dayarị, ayọn, amplịfaya, febuwarị, wdg. N'ọtụtụ okwu Bekee, Igbo wepụrụ ụdaume ndị nọ na mbido okwu were nye ohere ka myiriụdaume bido okwu ndị ahụ. Ọmụmaatụ: nshọransị, mperializm, mbrioloji, wdg.

A bịa n'atụmatụ ndokọ mkpụrụụdaasụsụ Igbo, mgbochiume abụọ anaghị anọkọ ọnụ na mkpụrụokwu Igbo. Mana mgbochiume abụọ maọbụ karịa nwere ike ịnọkọ ọnụ na mkpụrụokwu Bekee. Mgbe mgbochiume abụọ maọbụ karịa nọkọrọ ọnụ na mkpụrụokwu ndị Igbo bitere Bekee, mkpụrụokwu ndị dị etu a nupuru isi n'atụmatụ ndokọ mkpụrụụdaasụsụ Igbo. Ọmụmaatụ: batrị, skwọọdụ, manuskriptu, sacramentị, wdg.

Ọtụtụ okwumbite kwadoro ihe Roach (1982) kwuru. Roach kwuru na fonetishan ọbụla na-enyocha asụsụ ụdaolu nwere ike ịhụ nkejiokwu niile nwere ụdaelu ka ha abụ nkejiokwu nwere streesị. A bịa n'okwu ndị ahụ Igbo bitere Bekee, nkejiokwu nwere streesị na-enwekarị ụdaelu. Ọmụmaatụ:

| | |
|---|---|
| /'ɒfisə/ | /ɔ↓fìsà/ |
| /kəm'pjutə/ | /kɔ̀mpʊ̀tà/ |
| /'məʊʃn/ | /moʃɔ̀n/ |
| /'levl/ | /levʊ̀lʊ̀/ |
| /'kemıstri/ | /ke↓mìsìrì/ |
| /'sƏlfeıt/ | /solu↓féètì/ |
| /'ekwəti/ | /e↓kwìtì/ |

**Mmechi**

Edemede a nyochara fonọlọji okwumbite n'Igbo. Ọ tulere ụdị mgbanwe na-adị n'ọdịdịụdaasụsụ okwu Bekee mgbe e webatara ha n'Igbo ma tulekwaa ma ha adabara na fonọlọjị Igbo. Nhazi Igbo haziri okwumbite ndị ahụ pụtara ihe n'usoro ọdịdịụdaasụsụ ndị a: ndakọrịta ụdaume, ndapụ mkpụrụụdaasụsụ, mwebata ụdaume, nnọchi mkpụrụụdaasụsụ, nsetị ụdaume, olilo, mmebe ụdawayị, myiriụdaume ịnọ na mbido nkejiokwu na ndokọ mkpụrụụdaasụsụ Igbo. Ọtụtụ okwumbite hubere isi na ndokọ mkpụrụụdaasụsụ nakwa nkejiokwu Igbo ebe ụfọdụ ndị ọzọ nupuru isi na ndakọrịta ụdaume ya na nnọkọ mgbochiume. Nkejiokwu ndị nwere streesị na-enwekarị ụdaelu. Edemede a chọpụtakwara ndagba myiriụdaume dịka olilo pụtara ihe.

**Edensibịa**

Ajunwa, Enoch. (2008). Igbo Virgin Words: A Panacea to Loan Abuse. N'ime *Journal of Igbo Studies*. Nsukka: Ifedimma Communications. Vol. 3, pp. 8-17.

Akinlabi, Akinbiyi. (2008). Yoruba: A Phonological Grammar. Book Proposal Presented at the Conference on Documenting African Language Grammars held in California, USA in April.

Azịza, Rose na Don Utulu. (2003). Loanword Phonology: English in Urhobo and Yoruba. Paper Presented at 34th WOCAL, Rutgers University, New Jersey.

Boersma, Paul and Silke Hamann.(2007). Phonological Perception in Loanword Adptation. Na www.fon.hum.uva.nl/paul/…/BoersmaHamannOCP4.pdfen yochara na 09/10/2010.

Burenhult, Niclas. (2001). __________Loanword Phonology in Jahai. Na lup.lub.lu.se/luur/download?func=downloadfile&recordOld …enyochara na 08/10/2010.

Chávez-Peón, Mario E. (d.a). Loanword Phonology in San Lucas Quiaviní Zapotec (SLQZ) na www.sfu.ca/gradlings/NWLC_Proceedings/chavezpeon10-19.pdf enyochara na 09/10/2010.

Golston, Chris na Phong Yang. (2010). White Hmong Loanword Phonology. Na ww.zimmer.csufresno.edu/~chrisg/index…/HmongLoans.pdf enyochara na 09/10/2010.

Hyman, Larry. (1970). The Role of Borrowings in the Justification of Phonological Grammars. *Studies in African Linguistics.*Vol. 1, pp. 1-48

Kenstowicz, Michael. (2005). The Phonetics and Phonology of Korean Loanword Adaptation. Paper presented at First European Conference on Korean Linguistics, Leiden University, February.

Kenstowicz, Michael. (2006). Tone Loans.The Adaptation of English Loanwords into Yoruba.Selected Proceedings of the 35th Annual Conference on African Linguistics, John Mugane et al. (Eds.), pp. 136-146. Somerville, MA: Cascadilla Proceedings Project.

Oyebade, Francis. (2006). Prosodic Structure Preservation and English Loanwords in Yoruba: A Constraint-Based Account. Paper presented at the 20th Conference of the Linguistic Association of Nigeria held at NERDC, Sheda, Abuja, November 12-15.

Roach, Peter. (1982). On the Distinction between 'Stress-Timed' and 'Syllable-Timed' Languages.N'ime David Crystal (Ed.) *Linguistic Controversies*. London: Edward Arnold.

Uwalaka, Mary Angela. (1996). *Fonọlọjị na Ntọasụsụ Igbo*. Ibadan: Kraft Books Limited.

Yip, Moira.(2002). Perceptual Influences in Cantonese Loanword phonology.*Journal of the Phonetic Society of Japan* Vol. 6 pp. 4-21. Na web.mit.edu/linguistics/people/ …/Korean_loanword_adaptation.pdf enyochara na 08/10/2010.

Yip, Moira. (2006). The Symbiosis between Perception and Grammar in Loanword Phonology. *Lingua* Vol. 116, pp. 950-975. Na www.phon.ucl.ac.uk/research/ phonology.html enyochara na 08/10/2010.